**Ederede Iwu 1325 e mewanyere ka o di nfe ogugu, nke otu mba uwa jikoro onu, ngalaba na- ahu maka nchekwa na ihe gbasara umunwaanyi, udo na nchekwa.**

**Ndi haziri ya bu otu umunwaanyi** mba ofesi na-ahu maka idoziesemookwu.

1. Ime ka onuagugu umunwaanyi bawanyekwuo niso na-eme mkpebi nochichi obodo, mpaghara obodo na otu mbauwa di iche iche nihe gbasara igbochi, ijikwata na idozi ogbaghara.
2. Ime ka umunwaanyi na-esorowanye ninye mkpebi maka ochichi na idozi ogba-aghara ya na iweputa usoru maka udo.
3. Itinye umunwaanyi sitere nobodo di iche iche nokwa ochichi dika ndi nnochite anya ma na mba uwa ndi ozo, nke a ga-esi na ebe edeputawororii aha ndia, iji mee ka inye ha okwa na-adi mfe.
4. Imubawanye onu ogugu umunwaanyi noru ha ga na-aru ebe abughi nime ulo oru notu mba uwa dika izu ha dika ndi na-achoputa ma na- edatukwa ugbo-elu ndi iro nogbo aha, ndi uwe ojii ndi na-elekota ikike mmadu kwesiri inwe na kwa iwe ha notu oru ebere.
5. Ihu na a gunyere nwanyi niguzobe udo a na-esi nogbo agha ma obu nudi icho udo a na ano nebe abughi nogbako acho.
6. Weputa usoro ozuzu na ihe-orugasi maka (1) nchekwa, ikike na mkpa umunwaanyi, (2) mkpa igunye umunwaanyi nuzo di iche iche e si edebe udo na-ewulite-udo ya na (3) ime ka a mara maka HIV / AIDS nusoro e ji

enye ozuzu nobodo maka ndi uwe ojii nke ndi agha na nke ndi nkiti nakwa ndi oru na- ahu maka udo nobodo.

7. Bawanyekwuo enemaaka ego, nke oru aka na nke ngwongwo na ngwongwo ndi ozo nke si nobi puta a na- amanyeghi amanye, maka inye ozuzu na-emetuta ihe onye bu (nwaanyi / nwoke ) osooso.

8. Inabata ihe onye bu (nwoke / nwaanyi) mgbe a na- akpa, na-etinyekwa noru ihe ekwekoritara maka udo dika o siri metuta ihe ndi a;

- Mkpa puru iche ndi nne na umu agboghobia nwere ma a na-ezighachi ndi mmadu azu nobodo ha, inye ha ebe obibi nakwa iweghachi ezigbo onodu obibi ndu ha, mee ka ha burukwa ndi amaala obodo nuju ya na idozisi ihe agha mebiri.
- Ikwado uzo ohuru umunwaanyi no nime ime obodo na-eweputa maka udo nusoro obula obodo ji edozi esemookwu ya na ihu na umunwaanyi sonyere nuzo obula e si etinye nkwekorita udo ahu noru.
- Gbaa mbo hu na-asopuuru ikike madu obula kwesiri inwe dika o siri metuta ndi nne na umuagoghobia, tumadi nihe metutara iwu, ihe nile mejuputara ntuziaka, ndi uwe, ojii na ndi ulu ikpe.

9. Chekwaba ndi nne na umuagoghobia nihe ike a na-emeso ha, tumadi nihe ghasara iri ha elu nike na mkpari ndi ozo yiri nke a na ihe ike obula ha na-ezute noge ogu egbe na mma.

10. Na asopuru iwu ndi mba uwa nyere nihe gbasara ikike na nchekwaba ndi nne na umu agbooghobia tumadi ndi abughi ndi agba, ma a na-alu ogu egbe na mma.

11. Kwusi enweghi egwu maka ntaramaahuhu ma kpupu onye obula aka ya di nigbu mmadu nihi agburu nulo-ikpe, na mpu megidere ndu mmadu, mpu a na-eme nagha tinyekwara ihe nile metutara iri nwanyi elu na ihe ike ndi ozo a na-emeso ha, wepukwa mpu ndi a nohere iwu nyere make mgbara.

12. Na enye ndi nkiti no n onodu nnyere aka, ndi no ebe a na-elekota ndi gbapuru oso agha na be ha nsopuru, tinyekari kwaa uche na mkpa ndi nne na umu agbogho natumatu ha.

13. Tinyekwa echich na mkpa di iche iche umunwaayi na umunwoke no nogbo-agha nime atumatu ga eweta ikwusi ogu ya na ihu na ihe nile bidokwara idi mma, ma tinyekwa uche na mkpa ndi ha na elekota anya.

14. Tinye echiche nihe nwere ike idaputa na mmetuta iwu mba uwa jikoro onu, ahiri nke iri ano na otu, nebe onuogugu ndi bi nobodo di ma bu nuche iji ebere wepugasia ihe kwesiri ekwesi na-mkpa puruiche umunwaanyi nwere.

15. Ihu na otu nzuko nchekwa mba uwa tinyere echiche nihe gbasara ihe a ga-emegasi ya na ikike umunwaanyi, tinyekwara ichikota isi ha na umunwaayi obodo a, n otu umu nwaanyi di iche iche.

16. Chikoba ihe omumu nihe gbasra (1) Mmetuta ogu egbe na mma ebe ndi nne na umuagboghobia no (2) Oru umunwaanyi niwulite obodo nakwa (30

etu e si elegara ihe nwoke maobu nwanyi nwere ike ime nihe gbasara iweta udo na idozi ogbaaghara di iche iche.

Wetara ndi otu nzuko mba uwa ihe a choputara ma hukwa na ihe omumu ahu ruru ndi mba ozo sogasi na nzuko otu mba uwa aka.

17. Zigara otu mba uwa na-ahu maka nchekwa ozi etu ihe gbasara ibu nwoke / nwanyi si aga nakuku nile a na-enwe nzuko maka udo na ihe ndi ozo metutara umunwaanyi na umu agboghobia.

Ngalaba na-ahu maka o bu ndi Obu ndi otu mba uwa nihe gbasara udo nabatara mkpebi ndia na nzuko nke puku ano, nari abuo na iri na-ato (1213$^{th}$) ha nwere na abali iri ato na otu onwa nke iri nafo 2000.

---